# JOSEF NAEME KA ỤMỤNNE YA MARA YA

## Jenesis 43 :1-34; 44:1-34; 45:1-15

## IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 38 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Nweritanu obi-ọma n'aru ibe-unu, nwenu obi ọmiko, were-kwa-nu amara gbaghara onwe-unu" (Ndi Efesọs 4:32).**

### Mbuli Ijè Ọzọ Ịga Ijipt

Ọ bụ óké oge nye Josef mgbe ụmụnne ya kpọrọ Benjamin bịaghachi, nwanne ya nke ọ hụrụ n'anya bụ onye tolitеworo karị mgbe ha hụsịrị onweha anya ikpèazụ. Josef chọrọ ime ihe gaatọ ha ụtọ, n'ihi nke a ọ kwadobewo óké oriri n'ụlọ nke aka ya bụ́ ebe ọ kpọrọ ha. Ha kwesịrị ịdị náenwe óké ọñụ isoro onye ọchịchị nke Ijipt rikọ nri anyasị, n'obí ọma eze ahụ nke eji ihe dị óké ọnụ wee chọọ ya mma na ọtụtụ ndị orù. Ma échìchè ha niile ka naámá ha ikpé, ha wee chee n'otù oge ahụ na agaje ibò ha ebubo izu ego ahụ ha chọpụtararị nime akpà ha amanyere ọkà.

Mgbe ụmụnne ahụ zutere nwoke ahụ náelekọta ụlọ Josef, ha malitere ngwangwa inye ngọpụ dị icheiche banyere ego ahụ. Ọ dịghị onye kwuru ihe ọ bụla banyere ya, ọ dịghị kwa ihe ọjọọ ha meworo: ma mgbe enwere ọmụmaikpé ná ndụ mmadụ n'ihi mmehie niile o mere n'oge garaaga, ọ ganaenwe amamikpé ma o mere mmehie n'oge ahụ maọbụ na o meghị.

Ọtụtụ oge mgbe Chineke naeme ka ndị mmadụ mara mmehie ha, ha gaanwa ịkọwa na ihe ha mererị adịghị njọ gabiga ókè na ha ebughị kwa ihe ọjọọ n'obi. Eleghịanya ọ dịghị onye náama ihe niile ha naalụ; ma mgbe Mmụọ nke Chineke naamalite iwepụta ihe nzuzo niile ìhè ihe naadị n'ebe onye mmehie nọ bụ ikpuchi ya, maọbụ ịnwa ka o mee ihe niile ahụ o mere ka ha dị ka ezi ihe.

Nwoke ahụ náelekọta ụlọ Josef chọrọ ka o mee ka ụmụnne Josef ghara ịtụ́ egwù site n'ịgwa ha na Chineke ha nyeghachiri ha ego ha, na nke a pụtara ihe ọma. Anyị amaghị ma Josef ọ gwawo ya na ndịkom ndịa bụ ụmụnne ya, ma otú ọ dị, ọ chọpụtara ha dịka ndị Hibru ndị kwesịrị ifè ezi Chineke ahụ. Ọ kpọpụtakwara Simeon n'ụlọmkpọrọ, nke gaenyeworị ụmụnne ahụ obiike na ihe niile dị mma. Ezigbo ile ọbịa niile nke ndị Ijipt ka egosipụtara nye ndị Hibru ndịa bụ́ ndị ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ ndị ike gwụworo na ndị uzuzu juru arụ n'ihi ogologo ijè ha.

Ụmụnne ahụ ewetaworị ọtụtụ onyinye site n'ebe nna ha nọ, bụ́ ndị kasị mma ha nwere ike ịchọta n'ala Kenean, ha wedara onwe ha ala kpọọ isi n'iru Josef ka ha naachọ kwa iruọma n'iru ya ọzọ. Baịbụl ekwughị na Josef nwere mmasị n'onyinye ahụ niile maọlị. Ihe niile ọ naechè bụ maka ọdịmma nke nna ya. Jekob naabịaru ezi agadi ya, gịnị ka ọ gaabụ ma ọ bụrụ na ọ dịghị ndụ rue mgbe Josef nwere ike ịhụ́ ya ọzọ? Ụbọchị mgbe njikọọnụ ahụ nke ya na èzínaụlọ ya dị ezi nso, nakwa mgbe arọ niile nke ịnọ náánị ya gaakwụsị. Mgbe ọ hụrụ Benjamin o metụrụ ya n'obi nke ukwuu nke bụ na o siri n'ụlọ ahụ pụọ ka ụmụnne ya wee ghara ịhụ ya ka ọ naakwá ákwá.

### Ọnwụnwa Ọzọ

Obi naatọ ha niile ụtọ ná nrianyasị ahụ. Mgbe ụmụnne Josef ahụ jikeworo ịla, onyenlekọta ahụ nke ụlọ Josef kpojuru akpà ha niile (n'iheoriri) ha wee malite ijè ha. Ma ọnọdụ nke obi añụrị a ha nwere anọghị ọdụ. Josef ka nwererị otù ọnwụnwa ọzọ ịnwa ha. Ego ha ka etinyeworo ọzọ ya na ọkà ahụ nime akpà ha; iko Josef ka etinyewokwara nime akpà Benjamin. Ha ka nọ n'ijè isi n'obodo ahụ pụọ mgbe onyeisi ụlọ Josef ruru ha arụ wee bokwa ha ebubo izu ori n'ụlọ eze. O were ha anya na onye nlekọta ahụ (onyeisi ụlọ Josef ahụ) hiere ụzọ n'ebubo ahụ ọ naebo ha, nke mere na ha kwenyere ị bụ ndịorù ma achọpụta na ọ bụ eziokwu; nakwa ịma onye ahụ agaachọta iko ahụ n'akpà ya ikpéọnwụ. Ọ bụ ihe ịgbawa obi nye ha na ahụtara iko ahụ n'akpà Benjamin. Ha adịworị mbụ kwe nna ha mkwà dị icheiche ọ dịghị ihe gaeme ka ha rapụ Benjamin n'Ijipt. N'ihi nke a ha niile laghachiri azù n'ụlọ Josef, ha wee dakwa n'ala ọzọ kpọọ isi ala n'iru ya. Ndịa bụ ụmụnne ahụ ndị kwuworo na mbụ na ha agaghị akpọisiala nye Josef mgbe ọ bụla ma nke a bụ ugbò anọ anyị naahụ́ ka edere ebe ha wedara onweha ala n'iru nwanne ha nwoke nke ha tọrọ (Jenesis 42:6; 43:26, 28; 44:14).

### Arịrịọ Nke Juda

Juda rịọrọ arịrịọ nke náemetụ n'obi n'iru Josef. Ọ kọọrọ ya banyere arọ niile nke nhụju anya nke Jekob nọworo n'ihi otù nwa ya nwoke ọzọ nke fuworo efu, na kwa otú o si wee rịọ ha ka ha ghara ịkpọpụ nwa ya nke bụ nke ntà karịsịa. Juda kwuru na, óké nwute nke ihe banyere ọnwụ Benjamin gaeme ka nna ya nwụọ, o wee rịọ ka arapụ ya ka ya nọdụ n'ọnọdụ Benjamin.

### Njikọọnụ Nke Ọñụ

Josef hụrụ na ụmụnne ya echègharịwo ma wedakwa onweha ala, ọ pụghị kwa igbochi anyammiri niile ahụ ọzọ. Ọ gwara ndị Ijipt niile ahụ ka ha si n'ụlọ ahụ pụọ, o wee gwa ụmụnne ya ndịkom ndịa, "Mu onwem bụ Josef."

Lee ka o si bụrụ oge ịñụrị ọñụ nye Josef mgbe ọ pụrụ ịgwá ụmụnne ya nwoke na ya hụrụ ha n'anya, nakwa na ya agbagharawo ha banyere ahụhụ niile ha meworo ka ya hụọ! Lee ụdị ọñụ anyị naenwe mgbe anyị gbaghara onye

mere anyị ihe ọjọọ, anyị wee nwe mmetụ nke mmekọrịta nke eluigwe ahụ nke náabịa mgbe ọ náadịghị ihe ọ bụla dị n'etiti anyị na ụmụnne anyị! Ọ naatọ Jisọs ụtọ, otùaka ahụ ịgbaghara onye mmehie ahụ nke náabịa n'iru Ya ná nchègharị; ndị mmụọozi nke Eluigwe naesokwa Ya añụrịọñụ mgbe otù nwa náakpafuakpafu naalata ụlọ. Mgbe ejikọrọ anyị nime èzínaụlọ nke Chineke anyị nwereike iso Devid kwue, "Le, ka o si di nma, ka o si di kwa utọ nke-uku, bú nbikọ nke umu-nne, ọbuná ibikọ n'otù!" (Abù Ọma 133:1).

Josef gwara ụmụnne ya ka ha ghara ịtá onwe ha ụtá n'ihi na ha rere ya gaa nime Ijipt, n'ihi na ọ mara na Chineke ezitewo yarị inye aka n'ichébe ndị mmadụ ndụ nime arọ niile nke ụnwụ ahụ. Josef hụtara aka Chineke n'ihe niile ahụ dakwasịworo ya; ọ hụtakwara na okwukwe ya nke guzosiriike nime arọ niile nke ọnwụnwa ka akwụghachirị ya. "N'uzọ-gi nile mara Ya, Ya onwe-ya gēme kwa ka okporo-uzọ-gi nile zie ezi" (Ilu 3:6).

Josef kọọrọ ụmụnne ya ihe niile banyere ezi ihe nke bịawooro ya n'ala Ijipt, ọ chọkwara ka ha mee ngwa rue ụlọ wee kọọro nna ya akụkọ ọma ahụ. Ọ gwara ha na arọ ise ọzọ nke ụnwụ ahụ kafọdụkwara, n'ihi nke a ha niile aghaghị ịrịdata n'ala nke a wee náadị ndụ site n'ihe oriri ahụ atụkọbaworo nime arọ niile ahụ nke uju nri. Ọñụ juru ha niile obi, mmụọ ha dị kwa elu banyere njikọọnụ ha nke mere na ndị Ijipt nọ n'ụlọ Fero nụrụ ha; ha ñụrịkwara ọñụ, otùaka ahụ, n'ihi ọñụ nke Josef.

**Otù Nime Kraist**

Otuto ahụ niile na ebube niile nke alaeze nke ndị Ijipt, nsọpụrụ niile nke ebukwasịworo Josef (Ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ iweli aka maọbụ ụkwụ n'ala ahụ niile ma ọ bụghị ma Josef o nyere ya ike --Jenesis 41:44.) emeghị ya ka o bulie onweya elu maọbụ nwee mpako. Ọ hụrụ ndi Hibru ahụ náazụ̀ anụụlọ, ndị dị kwa umeala, bú ndị siworo na Kenean bịa n'anya karịa ndị isi niile ndị nwoke na ndịnyom bụ́ ndị náanọ n'obí eze. Ndị Hibru bụ ihearụ n'ebe ndị Ijipt nọ, ma ọ bụghị nye Josef. O nweworị ịhụn'anya Chineke n'obi ya nke lefuuru erughịeru niile nke dị ná ndụ ụmụnne ya ndịkom ndịa anya.

Ndị Ijipt chèrè na ha dị mma nke ukwuu karịa ndị Hibru ahụ nke mere na ha agaghị esoro ha rikọ ihe n'otù tebụl. Ọ dị ka enweworị ịkpá ókè nke àgbụ̀rụ̀ site na mmalite, nke a ewetawo kwa iruuju na obi mgbawa nye ọtụtụ mmadụ. Chineke akwadoghị ya ka ọ dị otú ahụ. Nime Ilu 22:2, anyị gụrụ: "Ọgaranya na ogbenye ezutewo: onye meworo ha nile bu JEHOVA." N'oge Agba Ọhụụ ndị Ju gụrụ onweha na mmadụ ndị Chineke rọpụtara, gụakwa onye ọ bụla ọzọ dịka onye rụrụ arụ. Ọbụná Pita nwererị ụdị échìchè ahụ, ma otù ụbọchị o kwetara, "Mu onwem ka Chineke gosiri ka m'ghara ikpọ madu ọ bula ihe ruru arù ma-ọbu ihe nādigh ọcha" (Ọlu Ndi-ozi 10:28). Emesịa Pọl onyeozi gwara ndị Galetia: "Onye-Ju ma-ọbu onye Grik apugh idi, orù ma-ọbu onye nwe onwe-ya apugh idi, nwoke na nwayi apugh idi: n'ihi na unu onwe-unu nile bu otù onye nime Kraist Jisus" (Ndi Galetia 3:28). Jisọs bịara ịzọpụta "onye ọ bula nke kwere," Ọbara Ya ka awụsịworo nye onye náeji nji nye kwa onye náacha ụcha, tinyekwara orù na kwa onye eze.

Jisọs naele ndị náesoụzọ Ya anya inwe obiọma n'ebe mmadụ niile nọ. Mgbe Ọ nọ n'eluụwa Ọ hụrụ ndị ogbenye, ndị náenweghị ndị náeleta ha anya; O mekwaara ha iheọma. Ọ gwọrọ ndị ekpenta ndị ọtụtụ mmadụ naezere. Ịhụn'anya ahụ gbasakwara nye mmadụ niile; Ọ naachọ kwa ka anyị hụ́ onye ahụ dịkarịsịrị ntà ná ndị nke Ya n'anya.

Anyị amụwo Iwu Ọlaedo ahụ dị mkpà, "Ya mere ihe nile, ka ha ra, bụ́ nke unu nāchọ ka madu nēme unu, nēmekwanu madu otú a unu onwe-unu." Anyị maara iwu ahụ, ma ànyị naeme kwa ya? Jisọs sịrị "Ọ buru kwa na unu ahú ndi ahu n'anya bú ndi nāhu unu n'anya àha ekele gini diri unu? n'ihi na ọbuná ndi nmehie nāhu ndi ahu n'anya, bú ndi nāhu ha n'anya" (Luk 6:32). Mgbe ịhụn'anya nke Jisọs naeju obi anyị ọ naadị ukwuu nke bụ́ na anyị agaghị ekwuokwu ọjọọ, anyị agaghị akpá ókè megide ogbenye, maọbụ náeme omume iji chọta amara n'ebe ọgaranya nọ. Mgbe ụfọdụ nime mmụọ dị otú ahụ naamalite igbebata nime obi anyị, aghaghị ịkpọku Chineke n'ekpere rịọkwa Ya ka o were Ọbara Ya kpuchie anyị ọzọ, mee kwa ka ịhụn'anya Ya bawanye n'obi anyị "Madu nile gēji nka mara na unu bu ndi nēso uzọm, ọ bụrụ na unu enwerita ihu-n'anya n'ebe ibe-unu nọ" (Jọn 13:35).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị ka iji chee na ụmụnne Josef tụrụ óké egwù mgbe ha hụrụ ego ahụ nime akpà ha niile ?
2. Gịnị ka Josef mere iji mee ka ụmụnne ya ndịkom ahụ nwee mmetụ nke ezi nnabata mgbe ha bịara ọzọ ịzụrụ ọkà?
3. Gịnị bụ ihe arịrịọ Juda lụpụtara n'ebe Josef nọ?
4. Josef ò gosịrị mmụọ nke obi mgbaghara n'ebe ụmụnne ya nwoke nọ?
5. Òlee ụzọ Josef siwororị zọpụta ndụ ụmụnne ya ndịkom?